NAANỊ
JIZỌS KRAỊST
NA-AZỌPỤTA

Ọ gāmu kwa nwa-nwoke, i gākpọ kwa aha-Ya Jisus: n'ihi na Ọ gāzọputa ndi-Ya na nmehie nile ha. Matiu 1:21

N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a, na o nyere Ọkpara ọ muru nání Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyì, kama ka o nwe ndu ebighi-ebi. Jọn 3:16

Jisus si ya, Mu onwem bu uzọ, na ezi-okwu, na ndu: ọ dighi onye ọ bula nābiakute Nnam, ma-ọbughi site na Mu. Jọn 14:6

Nzọputa adighi kwa n'ebe ọ bula ọzọ: n'ihi na ọ dighi aha ọzọ di n'okpuru elu-igwe nke enyere n'etiti madu, nke aghaghi izọputa ayi. Ọrụ 4:12

...Kraist nwuru maka nmehie ayi dika ihe edeworo n'akwukwọ nsọ si di; Na na e liri ya, na na o sikwa n'ọnwụ bilie n'ụbọchị nke atọ dịka akwụkwọ nsọ siri dị: 1 Ndị-Kọ 15:3–4.

Onye ayi nwetara nb□aputa nime Ya site n'ọbara-Ya, b□aghara nmehie, dika àkù nke amara-Ya si di; Ndị Efesọs 1:7

And the gospel must first be published among all nations. MARK 13:10

ENWERE EZIOKWU ANỌ ANYỊ KWESỊRỊ ỊGHỌTA:

1 CHINEKE HỤRỤ GỊ N'ANYA.

CHINEKE CHỌRỌ KA GỊ NA YA NWEE NDỤ EBIGHỊ EBI N'ELUIGWE.
N'ihi na Chineke hụrụ ụwa n'anya, nke a mere o jiri nye Ọkpara ọ mụrụ naanị ya, ka onye ọbụla kweere na ya ghara ịla n'iyi, kama ka o nwee ndụ ebighị ebi. JỌN 3:16

CHINEKE CHỌRỌ KA I BIE NDỤ BARA URU.
Onye ohi na-abịa naanị ka o zuo ohi, gbuo ma bibiekwa; abịara m ka ha nwe ndụ ma nwebigakwa ya oke. JỌN 10:10

OTÚ Ọ DỊ, ỌTỤTỤ NDỊ ANAGHỊ ENWETA NDỤ NWERE NZUBE NA HA AMAGHỊ NDỤ EBIGHỊ EBI N'IHI NA...

2 MMADỤ BỤ ONYE MMEHIE SITE NA OKIKE. N'IHI YA, E KEWAPỤRỤ YA N'EBE CHINEKE NỌ.

ANYỊ NIILE BỤ NDỊ MMEHIE.
N'ihi na mmadụ niile emehiela ha ekwesikwaghị otuto Chineke. NDỊ ROM 3:23
NTARAMAHỤHỤ NKE MMEHIE BỤ ỌNWỤ.
N'ihi na ụgwọ ọrụ mmehie bụ ọnwụ... NDỊ ROM 6:23

ENWERE ỤDỊ ỌNWỤ ABỤỌ A KPỌTỤRỤ AHA NA BIBLE:
• **ỌNWỤ ANỤ AHỤ**
Dị ka ọ bụ ihe a kwadooro mmadụ ọbụla ịnwụ naanị otu ugboro, ma e mesịa ikpe esochie, NDỊ HIBRU 9:27
• **ỌNWỤ IME MMỤỌ MA Ọ BỤ IKEWAPỤ EBIGHỊ EBI N'EBE CHINEKE NỌ**
Ma ndị na-atụ ụjọ, ndị na-ekweghị ekwe, na ndị na-emetọ onwe ha, na ndị ogbu mmadụ, na ndị na-akwa iko, na ndị ha na mmụọ ọjọọ na-akparịta ụka, na ndị na-ekpere arụsị, na ndị ụgha niile, ihe ha ga-eketa bụ ikpe ọmụma nke ịbanye n'ime olulu ahụ e ji nkume na-enwu ọkụ kwanye ọkụ. Nke bụ ọnwụ nke ugboro abụọ. MKPUGHE 21:8

Ọ BỤRỤ NA MMADỤ KEWAPỤRỤ ONWE YA N'EBE CHINEKE NỌ N'IHI MMEHIE YA, GỊNỊ BỤ IHE NGWỌTA NYE NSOGBU A?

ANYỊ NA-ECHEKARỊ IHE NDỊ A DỊ KA IHE NGWỌTA:

OKPUKPE NA OMUME

OTÚ Ọ DỊ, E NWERE NANỊ OTU IHE NGWỌTA NKE CHINEKE NYERE.

3 JIZỌS KRAỊST BỤ NANỊ ỤZỌ ELUIGWE.

NKE A BỤ IHE CHINEKE KWURU.
Jisọs sịrị ya, Mụ onwe m bụ ụzọ, na eziokwu, na ndụ. O nweghị onye na-abịakwute Nna m ma ọ bụghị site na m. JỌN 14:6
JIZỌS KRAỊST KWỤRỤ ỤGWỌ UGWO MAKA MMEHIE GỊ N'ỤZỌ ZURU EZU.
N'ihi na Kraịst n'onwe ya hụrụ ahụhụ nwụọ n'ihi unu otu mgbe. Onye ezi omume nwụrụ n'ihi ndị ajọ omume, ka ọ kpọrọ unu bịakwute Chineke. N'ihi na e mere ka ọ nwụọ n'anụ ahụ ma e mekwara ka ọ dị ndụ na mmụọ ya. 1 PITA 3:18
CHINEKE NWERE NKWA NKE NDỤ EBIGHỊ EBI.
Onye ọbụla kwere n'Ọkpara ahụ nwere ndụ ebighị ebi, ma onye ọbụla jụrụ Ọkpara ahụ agaghị ahụ ndụ n'ihi na iwe Chineke ga-adịrị ya. JỌN 3:36

4 ANYỊ AGHAGHỊ INWE OKWUKWE NA ONYENWE ANYỊ JIZỌS KRAỊST MAKA NZỌPỤTA ANYỊ.

EMERE KA NZOPUTA AYI KWE OMUME SITE N'AMARA NKE CHINEKE SITE N'OKWUKWE NIME JISUS KRAIST.
N'ihi na ọ bụ site n'amara ka e ji zọpụta unu site n'okwukwe. Nke a abụghị ihe unu rụpụtara n'onwe unu, ọ bụ onyinye nke Chineke. O siteghị n'ọrụ, ka onye ọbụla ghara ịnya isi. NDỊ EFESỌS 2:8-9

WERE OKWUKWE KPEKUO CHINEKE EKPERE:

ONYENWEANYỊ JIZỌS, DAALỤ NKE UKWUU MAKA OKE ỊHỤNANYA GỊ N'EBE M NỌ. A NA M EKWUPỤTA NA ABỤ M ONYE MMEHIE NA A NA M ARỊỌ MGBAGHARA. DAALỤ MAKA ỊNWỤ N'OBE IJI KWỤỌ ỤGWỌ MAKA MMEHIE M. EKWERE M NA NBILITE N'ỌNWỤ GỊ. SITE UGBU A GAA N'IHU, A TỤKWASỊRỊ GỊ OBI DỊKA ONYENWE M NA ONYE NZỌPỤTA. ANA M ANABATA ONYINYE GỊ NKE NDỤ EBIGHI EBI MA NYEFEE NDỤ M N'AKA GỊ.NYERE M AKA IRUBE ISI N'IWU-GI NILE NA IME IHE DI UTỌ N'ANYA GI. AMIN.

Ọ BỤRỤ NA I KWERE NA JIZỌS KRAỊST, IHE NDỊ A EMEWO GỊ:

• **NDỤ EBIGHỊ EBI NA CHINEKE.**
Nke a bụ uche nke Nna m, na onye ọbụla lere Ọkpara ahụ anya, kwerekwa na ya ga-enweta ndụ ebighị ebi, m ga-emekwa ka o bilie n'ụbọchị ikpeazụ. JỌN 6:40

• **CHINEKE AGBAGHARALARỊ GỊ MMEHIE GỊ. (OGE GARA AGA, UGBU A, ỌDỊNIHU)**
N'ihi na ọ napụtara anyị site n'ike nke ọchịchịrị, bịa kpọfee anyị n'alaeze nke Ọkpara ya ọ hụrụ n'anya. Onye anyị sị n'ime ya nwee nzọpụta, nke bụ mgbaghara mmehie niile. NDỊ KỌLỌSỊ 1:13-14

• **Ị BỤ IHE ỌHỤRỤ E KERE EKE N'ANYA CHINEKE. NKE A BỤ MMALITE NKE NDỤ ỌHỤRỤ GỊ.**
Ya mere, ọ bụrụ na onye ọbụla amalite ịdị ndụ n'ime Kraịst, ọ ghọọla onye e kere ọhụrụ, ihe ochie agaala, nke ọhụrụ anọchie. 2 NDỊ KỌRỊNT 5:17

• **Ị BỤZI NWA CHINEKE.**
Ma ndị ahụ niile nabatara ya, ndị ahụ niile kweere n'aha ya ka o nyere ike ịghọ ụmụ Chineke. JỌN 1:12

N'ihi na ọ bụ site n'amara ka e ji zọpụta unu site n'okwukwe. Nke a abụghị ihe unu rụpụtara n'onwe unu, ọ bụ onyinye nke Chineke. O siteghị n'ọrụ, ka onye ọbụla ghara ịnya isi. NDỊ EFESỌS 2:8-9